# IMEUDO AHỤ NKE JEKỌB NA ỊSỌ
## Jenesis 33:1-20; 35:1-20
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 26 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ọ digh otù okwu dapuru n'okwu-Ya nile di nma" (I Ndi Eze 8:56).**

**Ọñụ Nke Ịdị N'otù Na Udo**

Oge nke imeudo n'etiti Jekọb na Isọ abịaruwo. Jekọb nọ náatụ́ egwù banyere ụbọchị nke a ihe karịrị iriarọabụọ - tutu abalị ahụ n'akụ̀kụ̀ mmiriiyi Jekọb mgbe ya na Chineke gbara mgbá o wee mee ka o wee ya anya na ọ gaezute nwanne ya n'udo. O wee tereụkwụ (maọbụ náeje nsụkwarachi) rapụ ebe ahụ ọ lụrụ ọ̀gụ̀ siriike were kwa aha ọhụụ na ịgbaàmà na dịka nwaeze o nwere ike n'ebe Chineke nọ.

Jekọb doro ndị èzínaụlọ ya n'usoro maka mbuliijè ha; ọ wee gabiga n'iru ha niile kpọ isiala ugbò asaa nye Ịsọ. Ọ dịghị kwa otù nime omume niile ochie mbụ ahụ nke ọchịchọ nke onweonye, nfuluelu nke Jekọb fọdụrụ. O wee bịakute Ịsọ ná arịọ ebere nke náegosi ịhụn'anya; o we metụ Ịsọ n'obi, ha abụọ wee kwá ákwá mgbe ha makụrịtara onweha. Ịkpọ asị mbụ ahụ na anyaukwu ahụ ka échèfuru, ha wee dị n'udo.

"Mgbe ụzọ niile nke onye ọ bula nātọ JEHOVA utọ, o nēme ọbụná ndịiro ya ka ha na ya dị n'udo" (Ilu 16:7). Ndụ nke Jekọb mgbe o zutesịrị Chineke na Betel, nke mbụ adịwo dịka uche nsọ Ya si dị; ugbu a ọ naeri urù nke ngọzi nke ịdị n'otù (n'udo) ahụ zuruòkè.

O juru Ịsọ anya ịhụ ndịnyom na ụmụntakịrị dị n'èzínaọlụ Jekọb, o wee jụọ ndị ha bụ́. Jekọb wee za sị ụmụ nke Chineke nyeworo orù gị n'amara ka ha bụ̀.

(Jekọb nwere ụmụ iri na otù ugbu a: "Ruben, Simon, Livai, Juda, Dan, Naftali, Gad, Asha, Isaka, Zebulum na Josef. Benjamin ka amụrụ mgbe oge ntà gasịrị. Site n'ụmụ irinaabụọ ndịa nke Jekọb ka anyị nwere ebo iri na abuọ nke ụmụ Israel).

**Onyinye Jekọb Nke Ịsọ Naara**

Ịsọ wee chọ ịmata ihe mere Jekọb ji zigara ya onyinye nke anụ niile ahụ. Jekọb wee za sị na ya chọrọ ịhụta amara n'iru nwanne ya nwoke, wee nwe olileanya na onyinye ahụ gaeme ka obi dị ya ụtọ. Ịsọ sịrị na ya nwere nke aka ya rie nne, wee jụ ịnara ha na mbụ. Mgbe Jekọb rụgidere ya, o wee kwere n'ikpeazụ. Ọ bụ omen'ala na mgbe ahụ mmadụ igosi mgbaghara ya site n'ịnara onyinye n'aka onye ahụ mehieworo ya. Ọ bụrụ na Ịsọ anaraghị onyinye Jekọb, Jekọb agaghị enweworị ntụkwasịobi na agbagharawo ya. Ebe Ịsọ kwenyere ịnara onyinye ahụ, o kewo onweya agbụ ịbụ enyi ya.

Ịsọ chọrọ inyere Jekọb aka iduru ndị èzínaụlọ ya ụlọ, ma ọ bụ ihe siriike ha na ndịnyom, ụmụntakiri, igwe ewu na atụrụ ịyịkọ n'ijè ahụ. Ọ bụrụ na ike agwụbiga ha ókè ha gaanwụ. Jekọb wee gwa Ịsọ ka o buru ụzọ náaga, ka ha jiri nwayọ na obi ruru ala náabịa, dịka ike ndị ya na ha so ra.

**Ekele Jekọb Nye Chineke**

Jekọb emeghị ngwangwa ịba n'ụlọ nna ya, kama ọ tụgharịrị cheiru na Sukọt, emesịa o jee Shalem ebe ọ zụtara iberibeala ụfọdụ bụ́ ebe mesịrị ghọrọ Josef ebe anaeliozu na ihe nketa nye ụmụ ya.

Ngwangwa Jekọb ruru ebe ọ bụla nke ọ naezu ike, o wuere Chineke ebe ịchụàjà. O mekwara otù aka ahụ n'ebe a. Ọ dịghị mgbe o chèrè na ebe o nweworo mmeri n'ebe Chineke na mmadụ nọ na ọ pụrụ ilefuru ndụ nke imemmụọ ya anya ugbu a. Chineke gwara ụmụ Israel n'otù oge: "Mgbe ị gēri kwa, afọ eju kwa gi; gi lezie onwe-gi anya, ka ị ghara ichezọ JEHOVA, Onye mere ka i si n'ala Ijipt puta" (Deuteronomi 6:11, 12).

Mgbe anyị naagabiga ebe niile siriike ọ naemetụ anyị ka anyị dabere n'ebe Chineke nọ; ma anyị ga elezianya ka mgbe ọ bụla anyị gaenwe ọgan'iru ka anyị ghara ịghọ "Ndi nọ jụụ na Zaịọn" wee kwere ka onyeiro nke mkpụrụobi anyị dọpụ anyị n'ebe Chineke nọ. Obi tọrọ Jekọb ụtọ n'ihi mmeri o meriri, o wee sọpụrụ Chineke n'ihi óké obi ebere Ya. O wee kpọ aha ebe ịchụàjà ahụ, El-elohe-Israel, nke bụ ma asụgharịa ya Chineke, Chineke nke Israel, náegosi na ọ narawo aha ọhụụ ya, o wee were onweya inyebiga Chineke ókè ọzọ. N'ebe a o wee kpere Chineke Onye náánị Ya bụ Onye eziokwu n'etiti ndị mmehie.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị mere Jekọb ji wetara Ịsọ onyinye?
2. Na mbụ, Ịsọ ọ̀ chọrọ ịnara onyinye nke Jekọb ahụ?
3. Amaokwu nke anọ ò gosịrị anyị naagbaghara ya ihe niile?
4. Chineke akpọ́latala Jekọb ụlọ n'udo. Ị chetara ebe Chineke kwere mkwà na Ọ gaeme nke a?
5. Chineke ọ̀ naala azụ n'imezu mkwà Ya?